## MMALITE NKE IKPÉ NIILE DAKWASỊRỊ IJIPT
### Ọpupu 7:14-25; 8:1-19
### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 53 - Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Onye ihe nāgara nke-ọma ka madu ahu bu nke nātu oké egwù mgbe nile: ma onye nēme ka obi-ya sie ike gādaba n'ihe ọjọ" (Ilu 28:14).**

**I Ikpé nke Mbụ: Mmiri Ghọrọ Ọbara**

1. Agwara Moses ka o kwupụta ikpé mbụ nke Chineke, nke ezigara ka ndị Ijipt wee mara Jehova bụ́ Chineke nke Israel, Ọpupu 7:14-19; 9:14-16; I Samuel 4:7-9; Joshua 2:9-11; 2 Ndi Kọrint 4:3, 4
2. Moses na Eron rubeere Chineke isi ewee zite iheotiti ahụ mgbe Fero na ndị náejere ya ozi nọ náeleanya, Ọpupu 7:20, 21; Abù Ọma 78:44, 45; 105:29
3. Ndị mgbasị ahụ gbalịrị igosi na ọ bụghị ọlụ dị ebube, Fero wee mee ka obi ya sieike ọzọ, Ọpupu 7:22, 23; Matiu 24:24; Deuteronomi 13:1-3; 2 Ndi Tesalọnaika 2:7-12; Nkpughe 13:12-15
4. Iheotiti ahụ wetaara óké ahụhụ n'Ijipt, Ọpupu 7:24, 25; Jenesis 15:13, 14; Nkpughe 16:3, 4

**II Ikpé nke Abụọ: Iheotiti nke Awọ̀**

1. Adọrọ Fero akanántị naagaje iweta ikpé ọzọ, Ọpupu 8:1-4
2. Ekwupụtara ikpé ahụ ewe zite awọ̀ n'Ijipt, Ọpupu 8:5, 6; Abù Ọma 78:45; 105:30
3. Ndị mgbasị ahụ ji ihe nzuzo ha dị icheiche ọzọ mee kwa otù ihe ahụ, Ọpupu 8:7
4. Fero naarịọ maka nnapụta ewee mee otú a n'ihi mkwà nke o kwere, Ọpupu 8:8-13
5. Mgbe Fero hụrụ na ọ dịwo mma o wee mesie obi ya ike ọzọ, Ọpupu 8:14, 15; Ndi Rom 1:28, 32

**III Ikpé nke atọ: Iheotiti nke Igwu**

1. Emere ka ájá ghọọ igwu náebughị ụzọ dọọ Fero akanántị, Ọpupu 8:16, 17; Abù Ọma 105:31; Jeremaia 6:10; Zekaraia 7:12
2. Ndị mgbasị ahụ dara mgbe ha naachọ imeghari ọlụ ebube ahụ, ha wee kweta na Chineke nke Isreal kachasị ihe niile elu, Ọpupu 8:18, 19
3. Fero naeme ka obi ya sieike ọzọ, Ọpupu 8:19

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**"Ònye bu JEHOVA?"**

Chineke nụrụ iti mkpu na ịsụudè niile nke Ụmu Israel mgbe ha naadọgbu onweha n'ọlụ dịka ndịorù n'Ijipt, o wee ziga Moses iduba ha n'ala ahụ ekwere ha ná mkwa ọtụtụ arọ garaaga. Moses jere n'iru Fero ọtụtụ ugbò wee rịọ ka ekwe ndị Israel jee n'ọzara feé Chineke ha òfùfè, ma Fero jụrụ ajụ, ebe ọ naachọghị ka ndị ahụ baara Ijipt oké urù si n'aka ya pụọ. Ọ sịrị na ya amaghị Jehova, bụ́ Chineke nke Israel, n'ihi nke a na ya agaghị erube isi n'iwu nke Jehova maọbụ gosi ndị nke Ya iruọma. Kama nke a, Fero mere ka Ụmụ Israel naalụsi ọlụ ike karịa ka ha si alụ na mbụ

Iseokwu ahụ nke dị n'etiti ndị Israel na ndị Ijipt naagba gburugburu n'otù ihe a: Ọ̀ dị Chineke nke bụ́ Jehova dị? ọ bụrụ kwa na ọ dị, òlee otú ike Ya raa? na gịnị, ma asị na ọ dị, bụ ọlụ dịrị ndị Ijipt n'ebe Ọ nọ? Iji gosipụta na Ya dị, nwekwa ike iwetara ndị Ya nnapụta, Chineke zigaara ndị Ijipt ahụ nwere obi ọjọọ, naefè kwa arụsị ọtụtụ ikpé. Ikpé ndịa ka amaara dịka Iheotiti Iri ahụ nke Ijipt.

Ijipt bụ obodo nwere ọtụtụ chi. Ụmụmmadụ naefè kwa ihe dị icheiche: Osimiri Nail, agụiyi na ihe niile ọzọ dị ndụ dị n'osimiri ahụ, anụ dị icheiche bi n'elu ala, arụrụ niile na ọbụná anyanwụ. Jehova doro ikpé Ya niile n'usoro megide chi niile ahụ nke ndị Ijipt, nke mbụ bụ iji gosi Fero na ndị Ijipt niile na Chineke nke Israel bụ ezi Chineke; nke abụọ, na ọ dịghị Chineke ọzọ dị.

Chineke buru ụzọ mee ka Moses mara Ya, bụ́ onye gwara Eron ndụmọdụ niile nke Chineke mgbe ahụ ndịkom abụọ ahụ wee jee n'iru ndị okenye nke Israel. Site n'ọlụ ebube niile Chineke lụrụ n'anya ndị Israel o gosipụtara na Ọ bụ Ya zitere ndịkom ndịa idupụta ndị ahụ nọ n'orù baa n'inwere onwe. Otù nime ọlụ ebube niile ndịa ka alụrụ n'iru Fero n'ihi otù ihe ahụ, ma o mere ka obi ya sieike megide Chineke wee jụ ikwere na Ya.

**Mmiri Emere Ka ọ Ghọọ Ọbara**

Ikpé nke mbụ ahụ, bụ iheotiti nke emere ka mmiri nke dị n'osimiri ahụ ghọọ ọbara, ka amara ọkwà ya tupu ezite ya. Ngwangwa, mgbe Moses na Eron mere dịka Jehova nyere ha n'iwu, mmiri nke osimiri ha ahụ dịrị ha nsọ ka

emere ihe anaapụkwaghị iji mee ihe ọ bụla. Ọ dị ọcha na mbụ, dị kwa mma n'ọñụñụ; n'oge niile kwa, ma ewezuga mgbe ojuju mmiri, ọ naadị ọcha náenwu kwa enwu ma ugbu a ọ bụ náání ọbara.

Ebe mmiri bụ ihe dị óké mkpà nye mmadụ, anụmanụ na ndụ iheọkụkụ nke ubi n'ala nke a naekpo ọkụ, ndị Ijipt gụnyere Nail n'otù nime chi niile ha naefè nke dịkarịsịrị ukwuu. Ya mere iheotiti mbụ ahụ n'onweya bụ óké mnwapụta nye chi ha niile na okpukpé ha. Ọ bụrụ na Chineke nke Israel pụrụ ịtụgharị mmiri nke Nail ka ọ ghọọ ọbara, ọ gaabụworị eziokwu doroanya nye ndị Ijipt na ọ dị ike karịa chi ha ahụ ha naenye óké nsọpụrụ, bú osimiri ahụ.

Ma Setan, onye nrafu ahụ dị ukwuu nke mmadụ, nwere ndị náejere ya ozi n'ebe ahụ bú ndị gbalịrị ime ka ihe ngosipụta ọ bụla bú kwa nke karịrị ike mmadụ bụrụ ihe anaagaghị eji kpọrọ ihe bú nke ezigara iji mee ka ndịa kwenye na Jehova bụ ezi Chineke ahụ, onye náání Ya bú Chineke. Ndị mgbasị nke Ijipt mere ụdị ihe ebube ahụ site n'iji ihenzuzo ha niile; náenweghị obiabụọ, n'ihi ọlụ ha ka obi Fero, onye nwere nganga na isiike ji sieike. Eleghịanya o chéré na ebe ọ dịghị ihe dị iche n'ọlụebube ahụ ezitere iji gosi ike Chineke, ugbu a ndị ya mekwara otù ihe ahụ, n'ihi nke a ọ gaghị adị ihe pụrụ iche dị na Chineke Israel maọbụ ike Ya.

**Awọ̀ Nke Sitere N'osimiri**

Iheotiti nke abụọ bụ nke náabụghị náání na o mekpara ndị Ijipt arụ kama o bibikwara ụfọdụ nime ha (Abù Ọma 78:45). Awọ̀ si n'osimiri nupụta wee jupụta n'ebe niile ọ bụla n'ala ahụ. Ọ bụ ihe siriike ichepụta ebe iheotiti a nke jọbigara njọ ókè ruru maọbụ óké ahụhụ o wetaara.

Awọ̀ bụ kwa otù nime chi niile nke Ijipt, ọzọ kwa anyị na ahụ́ aka Chineke nke náemegide ikpere arụsị ha n'iheotiti nke a. Fero rịọrọ Moses ka o kpee ekpere ka ewezuga iheotiti ahụ -- wee si otú a náekwere na Chineke nke Israel dị ukwuu karịa chi niile ọ bụla nke Ijipt ọ bụ ezie na o kwupụtaghị ya. Site n'ekpere nke Moses awọ̀ ahụ niile nwụrụ n'ebe ọ bụla ha dị, ná ewepụta n'ụzọ pụtara ìhè, ihe mkwagide nke anaapụghị ichefu banyere ọlụebube ahụ karịa ma asị na ha laghachịrị n'ebe ha siri pụta -- ọbụná n'ụzọ dị ebube.

Naemere ka ọ bụrụ Fero rọpụtara oge agaeji wezuga iheotiti ahụ bụ̀ ihe ngosi ọzọ pụtara ìhè nye ya na ọ dịghị ihe ọ bụla ọzọ ma ọ bụghị ike Chineke ka eji mee nke a. Ire uré nke awọ̀ niile ahụ nwụrụanwụ abụghị náání ihencheta ọjọọ na chi ha bú awọ̀ enweghị ike nke náadị ebighịebi dịka Chineke nke ndị Israel kama ọ naegosi kwa na ọ nọ n'okpuru Chineke nke Israel n'ụzọ niile.

**Anwụntà (igwu) Nke Sitere N'ájá**

Iheotiti nke awọ̀, dịka iheotiti nke mmiri emere ka ọ ghọọ ọbara ka ezigara mgbe adọsịrị akanántị na ọ gaje ịbịa: ma ikpé nke atọ ahụ bú iheotiti nke anwụntà ka ezitere náebughị ụzọ maa ọkwà banyere ya. Ọ dị ka ezitere ya dịka ikpé mberede ịbịakwasị Fero onye náemebi mkwa o kwere, ya na ndị ya. Anwụntà si n'ájá onweya náapụta wee mekpaa mmadụ na anụmanụ arụ n'ala niile nke Ijipt. Ndị Ijipt ka akọwara dịka ndị náadị ọcha nke ukwuu, ndị náadịghị kwa ka ọtụtụ ndị mbaọzọ náefè arụsị ha nwere ọtụtụ ụ̀kpụ̀rụ̀ siriike nke ịdịọcha n'elu arụ n'òfùfè nke arụsị ha, anwụntà nke dị n'arụ ha mere ka ha ghọọ ndị náadịghị ọcha n'ifè òfùfè ha.

Nke a bụ̀ ọgwụgwụ nke mgbalị niile nke setan ime ka ọlụebube niile ahụ bụrụ iheefù site n'imepụta kwa ụdị iheotiti ahụ. Ndịmgbasị apụghị imepụta iheotiti nke dịka iheotiti nke anwụntà, ha wee kweta n'onweha n'ihe a abụghị ihe ọzọ ma ọ bụghị aka Chineke. Ebe ndịmgbasị ha kwuworo na ọ dịghị onye ọzọ ma ọ bụghị aka Chineke nke Israel zitere iheotiti a, ọ naegosipụta kwa ọzọ nye ndị Ijipt na ụmụmmadụ nke ọgbọ niile ịdị ukwuu karịsịa nke Chineke ahụ. Chi ahụ niile anaemegide apụghị itinye aka n'ụzọ ọ bụla ime ka iheotiti a bie maọbụ ibelata ya n'ụzọ ọ bụla nke mere ka ọ bụrụ ihe anaapụghị ime nye ndị ahụ náefè arụsị ịga n'iru n'òfùfè ihere ha nke náenweghị kwa ùgwù ọ bụla.

**Ebere Nke Ikpé Niile Dị Ugbu a**

Chineke zigaara iheotiti niile ahụ iji nápụta Israel ma kwee kwa ka ha dakwasị ndị Ijipt n'ebere, ka ha wee hụ́ na chi ha niile ahụ ha tụkwasịrị obi apụghị ịzọpụta ha n'ụzọ ọ bụla. Egosipụtara ya nkeọma na ọ bụ ezie na ndịmgbasị ahụ niile nwere ike mepụta n'ụzọ dị ntà abụọ nime iheotiti iri ahụ, ma ha apụghị, imegharị maọbụ mee ka otù nime ha kwụsị. Ná mkpughe a gara nkeọma n'imezù nzube nke Chineke, ọbụná n'ụzọ dị ntà, ka ahụtara, nke mbụ, site ná ndịmgbasị ahụ ịgbaàmà n'onweha na iheotiti ahụ nke anwụntà bụ̀ ihe mkpịsịaka Chineke zitere (Ọpupu 8:19); nke abụọ, site ná ndị orù Fero ndị tụrụ egwù Okwu Jehova wee mee dịka Okwu ahụ si dị ka anapụtara site ná mmetụta nke iheotiti nke ákụ́mmiriigwe ahụ (Ọpupu 9:20, 21); nke atọ kwa, site ná ndịorù Fero ndị rịọrọ ya dịka otù ugbò ka ọ nabata arịrịọ nke Moses n'ihi na ha tụrụ egwù ihe nile gaadakwasị ha site ná nnupuisi a (Ọpupu 10:7).

N'ụzọ dị otú a, anaamara Chineke site n'ikpé Ya niile, n'ihi na mmeso niile Ọ naemeso mmadụ n'ihi ibindụ nke aka ha bụ imeghe uche ha ka O wee wepụta ha site n'ihe ntụkwasịobi ụgha niile baa n'ịtụkwasị náání Ya Onweya obi; ka o wee bụrụ na mgbe azọpụtara ha site ná njehie na mmehie, ha ewee mara ihe, dị nsọ, nwee kwa ọñụ. Ekwuwo ya na mgbe ikpé Chineke jezuru ebe niile n'obodo, ndị niile bi n'ala ahụ naamụta eziomume. Lee otú anyị

gaesi nwee obiekele na Chineke naesi n'ụzọ dị otú a náemeso ụmụmmadụ na mba dị icheiche, náagbalịsiike ịdọrọ ha nye Onweya.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Kọwaa iheotiti abụọ mbụ ahụ.
2. Òlee ihe Chineke ji were ụdị iheotiti ndịa tie Ijipt, ọ̀ bụ kwa gịnị ka echere ha iru megide?
3. Gịnị bụ iheotiti nke atọ?
4. Gịnị ka echéré na ọ bụ ihe kpatara eji weta iheotiti nke a, gịnị bụ kwa ihe pụtara ìhè nke o gbochiri ndị Ijipt ime?
5. Gịnị bụ ọlụ ekwensu pụtara ìhè ná mmepụta nke ọlụebube atọ ndịa?
6. Moses ò megidere maọbụ chọọ ikpughe mmpụtaìhè niile nke ekwensu ndịa?
7. Ndịmgbasị ahụ, hà nwere ọgan'iru ná mgbalị ha niile iji kwagide nzube ha?
8. Gịnị bụ omume Fero n'ebe nke ọ bụla n'ime iheotiti atọ ahụ dị?
9. Òlee ụzọ anyị pụrụ isi kwue na ewetara ikpé niile ndịa n'ebere?
10. Àkụziri anyị nime Akwụkwọnsọ na ikpé niile ndịa nwere mmetụta ọ bụla n'ebe ndị Ijipt nọ?